Ịlụ Igwe Nwaanyị N'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ Nke Steeti Anambara n'Oge Gboo na n'Oge Ugbu A

Joy Onyinye Onuegbu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
onuegbuoj@gmail.com

&

Ifeyinwa Cordelia Isidienu
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ic.isidienu@unizik.edu.ng

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'ịlụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ nke Steeti Anambara n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ịlụ igwe nwaanyị pụtara usoro alụmalụ ebe otu nwoke na-alụ karịa otu nwaanyị n'otu mgbe. Ọ bụ otu n'ime omenala pụtara ihe na ndụ ndị lgbo mana nsogbu dị na ya karịrị akarị. Nsogbu ndị ahụ bụ, ka a ga-esi kee ekpe di nwe ụlọ ma ọ nwụọ, esemokwu, ọnwụike, ịgwọ ọgwụ, ọgbaaghara na tigbue zogbue nke na-esite n'aka ụmụaka maọbụ ndị nwunye apụta.Ọ bụ ọnọdụ ndị a kpalitere nchọcha a nke ebumnobi ya bụ ịchọpụta ihe ịlụ igwe nwaanyị pụtara n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ nke Steeti Anambara, ịchọpụta ihe kpatara nwoke ji alu igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'oge gboo na mgbanwe batara na ya n'oge ugbu a. Ọzọ bụ ịchọpụta ọghọm si n' ịlụ igwe nwaanyị aputa na ụzọ a ga-esi gbochie ọghọm ndị ahụ. Iji mejupụta ebumnobi ndị a, a gara n'ọba akwụkwọ ma gụọ akwụkwọ dị iche iche ndị ọkamụta derela banyere isiokwu a. A gbara ndị mmadụ di iri atọ na isii sitere n'ogbe iteghete a kpọrọ Ebo itenaanị dị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ ajụjụ ọnụ iji nweta ihe e ji mee nchọcha a. A chọpụtara na nsogbu di n'ịlụ igwe nwaanyị dị ọtụtụ, dị ka ekworo, ịgba alụkwaghịm, ịkọ nsi, dgz. nke na-adapụtakịrị n'etiti ụmụaka na n'etiti ndị nwunye a na-alụ alụ. Nchọcha a ga-abara ndị ntorobịa, ọhaneeze, tụmadị ndị nne na nna uru nke ukwuu, n'ihi na ọ ga-eme ka ndị nne na nna na-akwanye ụmụ ha ndị nwaanyị ịlụ di n'ezinaụlọ a lụrụ igwe nwaanyị n'ihi ego maọbụ ihe nrite ga-apụta n'ime ya belata. Ọ ga-adị mma ma ọbụrụ na ndị gọọmenti wepụta usoro ọmụmụ ihe gbasara alụmdi na nwunye nye ndi mmadụ iji kọwaa ma mee ka a mata na nsogbu na ọghọm di n'ịlụ igwe nwaanyị karịrị uru dị na ya. Ọ bụ eziokwu na ịlụ igwe nwaanyị gbanyere mkpọrọgwụ na ndụ ndị Igbo, mana ugbu a, ọtụtụ ihe agbanweela. Ya bụ na ndị ntorobịa ga-agba mbọ hụ na ha gbasoro usoro ziri ezi n'alụmdi na nwunye iji gbanahụ ọnwụnwa na ihe ndị na-ebute nsogbu dị n'ịlụ igwe nwaanyị.

1.0 Mkpọlite

Alụmalụ bụ nnọọ ewumewu pụrụ iche nke nwoke na nwaanyị ọbụla na-elegara anya ịbanye n'ime ya otu oge maọbụ nke ọzọ n'ụdị dịgasị iche iche. Nke a gosịrị na alụmalụ dị oke mkpa na ndụ nwoke na nwaanyị ọ bụla, ọ kachasi, n'ala lgbo. N'oge ugbu a, alụmalụ abụrụla ihe na-ewetakarị esemokwu n'ọtụtụ ezịnaụlọ n'ihi e nweghị ezi nghọta maọbụ nkwekọrịta na-adị n'etiti onye na-achọ ịlụ nwaanyị na ndị ezinaụlọ ya. Dị ka e si nwee asụsụ dị iche iche n'ụwa, etu ahụ ka e si nwee agbụrụ dị iche iche. Ndị lgbo bụ otu agbụrụ a na-ewu ewu na mba ụwa dum. Ndị mmadụ bikọrọ ọnụ na-enwe ụdị akparamagwa e ji ama ha. Ọ bụ ya na-eweta ndịiche n'etiti agbụrụ na ibe ya. Oge na-aga, akparamagwa ndị ahụ na-abịazị bụrụ omenala e ji mara ha. Ndị lgbo bụ ndị nwere omenala pụrụ iche e ji mara ha, ma bụrụ ihe na-achịkwa ndụ ha, nke mere ha ji dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ dị na mba ụwa. Agbụrụ ọbụla na-enwekwa obodo dị iche iche na-emejupụta ya, nke mere ha ji abụ nnukwu ebo. N'otu aka ahụ ọtụtụ obodo mejupụtakwara ala Igbo nke Ọnicha so n'ime ha. Agbụrụ ọ

bụla dị na mba ụwa nwere usoro ha si anabata nwa ọhụrụ n'etiti ọhanaeze nke na-apụtakarị ihe site na mbikọ ọnụ nwoke na nwaanyị n'ụzọ ọhanaeze nabatara. Ihe o ji dị etu ahụ bụ maka na ọ bụ site n'alụmalụ ka mmadụ si abawanye. Ọ bụ mbawanye sitere n'usoro alụmdi na nwunye ka ndị Igbo nabatara dịka ụzọ ziri ezi mmadụ si amụbanye. Nke a mere na ihe gbasara alụmdi na nwunye n'ala Igbo bụ ihe dị ọkpụtọrọkpụ.
Ọ bụ ihe siri ike ịkọwa etu alụmalụ siri malite n'ala Igbo, ma ka osiladị, e nwere ike ikwu na alụmalụ malitere mgbe Chineke hibere ewumewu alụmalụ nke si n'aka Adam na Eve dịka e si detuo n'akwụkwọ nsọ. Bido mgbe ahụ gaba mmadụ bidoro mụbawa wee jupụta mba ụwa dị iche iche. Ndị Igbo n'otu aka ahụ nwere ụdị alụmalụ dị iche iche nke isi sekpụ ntị na ya bụ nwoke ịlụ igwe nwaanyị. N'ala lgbo, n'oge gboo, e kwenyere na ụmụ nwoke nwere ọnọdụ dị elu ebe ụmụ nwaanyị nwere ọnọdụ dị ala. Ọ bụ echiche dị etu a na-ebute mkpagbu, nleda anya na ihe ndị ọzọ a na-eme megide ụmụ nwaanyị. O sokwa n'ihe kpatara otu nwoke ji achịkọta ụmụ nwaanyị abụọ maọbụ karịa ọnụ n'otu ezinaụlọ, nke a maara dịka alụmalụ igwe nwaanyị. Ọ bụkwa n'alụmalụ igwe nwaanyị a ka nchọcha a gbadoro ụkwụ iji wee chọpụtasịa nsogbu a na-enweta n'ịlụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ nke Steeti Anambara. Nchọcha a chọpụtakwara ihe kpatara nwoke ji alụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnicha Nọọtụ n'oge gboo, ọghọm na-esi n'ime ya apụta n'oge ugbu a, ụzọ a ga-esi gbochie nsogbu na ọghọm ndị a tinyere mgbanwe dị iche iche batara n' ịlụ igwe nwaanyị n'oge ugbu a.

2.0 Alụmalụ

Chukwu kere ụwa keekwa ihe niile dị n'ime ya, ma gozie ụwa, mee ka ọ dị mmadụ ụtọ obibi. O bu ụzọ kee nwoke, mgbe o kechara ihe ndị ọzọ e kere eke. Chukwu lechara anya hụ mkpa ọ dị na nwoke agaghị anọ naanị ya n'ogige lden, o wee mee ka Adam daa n'oke ụra. Mgbe Adam rahụrụ ụra, Chineke weere otu mkpịsị ngụ ya wee kepụta nwaanyị. Mgbe Adam hụrụ Eve, ọ sịrị, nke a bụ nnọọ ọkpụkpụ si n'ọkpụkpụ m pụta na anụ ahụ si n'anụ ahụ m pụta. Nke a mere nwoke ga-eji hapụ nne na nna ya rapara n'ahụ nwunye ya ha abụọ abụrụ otu. (Genesis 2: 21-25). Nke a bụ akụkọ sitere n'akwụkwọ nsọ, etu Chineke si were wube alụmalụ. Ọ dịghị mba ọbụla dị n'ụwa a na-ekwenyeghị n'alụmalụ kama na ihe na-apụta ihe bụ na mba ọ bụla hibere alụmalụ ha dịka nkwenye ha si dị na ka ha si ahụta ụwa. N'otu aka ahụ, alụmalụ so n'otu n'ime omenala gbanyere nnukwu mkpọrọgwu na ndụ ndị lgbo. Ndị Igbo nwere ụdị alụmalụ dị iche iche ma nwekwaa usoro ha si eme ihe dị n'alụmalụ.

Alụmalụ bụ usoro pụrụ iche mmadụ abụọ si egosipụta onwe ha ịhụnanya site n' ibịkọ ọnụ dị ka nkwenye ndị Igbo siri dị. Ọ bụ ya ga-eme ka ụmụ a ga-amụta bụrụ ụmụaka ziri ezi n'anya ọhanaeze ma bụrụkwa ihe nketa nne na nna nwere. Otu ụzọ kacha pụta ihe agbụrụ niile dị na mba ụwa si abawanye bụ site n'alụmdi na nwunye. Ndị Igbo anaghị eji ihe gbasara alụmalụ egwuriegwu. Nzeako (1979:14-16) kọwara na ịlụ nwaanyịn'ala Igbo abụghị ọkụ nwata gba ngada anya, ọ bụghị ihe nwoke na-asara ụsa gaa mee. Onye ga-alụ nwaanyị maọbụ ndị ga-alụtara onye nke ha nwaanyị ga-ezu ihe ọ na-eme maọbụ ihe ha na-eme, ka ọ ghara ịbụ a lụbata nwaanyị n'ụlọ, agụụ egbue ya. N'oge ochie, a na-ahụta nwoke na-awanyeghị akwa n'ukwu dị ka onye na-etozubeghi ihe e ji mmadụ eme, n'ihi ya o torubeghị ịlụ nwaanyị; ọ bụrịị eziokwu na n'oge dị ugbu a, ihe dị etu ahụ adịkebeghịzị. Nzeako (1979) kwuru na alụmalụ abụghị ihe nwoke na-aga mee n'ihi na ndị ọgbọ ya na-eme, ka ma nwoke na-eme nke a oge o tozuru oke ma nwee ego o ji lụọ nwaanyị. Ubesie (1987:44) kọwara alụmalụ dị ka ihe di mkpa n'ebe nwoke maọbụ nwaanyị ọbụla nọ. "Ọ bụghị ihe nwoke na-anọkata gaa mee kama ọ ga-etozue ihe e ji nwoke eme, ọzọ, ọ ga-agbaso usoro omenala e ji alụ nwaanyị". Nwoke ọbụla tozuru etozu n'ala Igbo na-ebu alụmalụ n'uche oge dum. Ọ bụrụ na ọ naghị echeta maka alụmalụ, nne na nna ya na ikwunaibe ya ga na-agụ ya dị ka egwu na ntị ya mgbe dum. Nke a mere na a bịa n'ala Igbo, ịlụ nwaanyị dị mkpa na ndụ nwoke ọbụla. Ndị Igbo na-ekwukwa ya n'okwu sị na nwoke ọ bụla ji nna ya ụgwọ ịmụta nwa. Ọ bụzi mgbe nwoke lụrụ nwaanyị ka ọ

ga-akwụ ụgwọ ahụ. Mkpa ịlụ nwaanyị dị n'ala Igbo mere na nwoke ọ bụla alụbeghi nwaanyị anaghị echi echichi nke o ji enwe ọnụ okwu n'ọgbakọ obodo.

Alụmalụ bụ omenala kwụdosiri ike na ndụ ndị Igbo. Nke a mere Ekwealor (1998:47) jiri sị na alụmalụ bụ nnukwu ihe na ndụ ndị Igbo. Na nkọwa ya, ọ sịrị na ọ bụ "ijikọ nwoke na nwaanyị ọnụ dịka di na nwunye n'ụzọ omenala, nke aga-eme ka ụmụaka a ga-amụta bụrụ ụmụziri ezi n'anya ndị mmadụ." Ọ na-abụ nnukwu ihe ihere dịrị ezinaụlọ ọbụla nwa ha tụtara ime mkpuke, n'ihi na ọ na-abụ ugwu nyere ezinaụlọ ndị nke ụmụ ha ndị nwaanyị debere onwe ha ọgọ wee rue na e mezuchaa mmemme niile dị n'alụmalụ. Ọnọdụ ime mkpuke na ihere so ya mere ụfọdụ ndị nne na nna ji ahara kama ka agadi nwoke lụọ nwa ha ma ya bụrụ na ọ nọghị n'ụlọ ha mụọ nwa. Dị ka alụmalụ si gbanye mkpọrọgwụ na ndụ ndị Igbo, o gosịrị na alụmalụ malitere mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha n'elu ụwa a. Nke a mere Okafor na Ewelukwa (2011:385) ji kwue na alụmalụ bụ otu n'ime omenala ndị Igbo bidoro na mgbe gboo. Ha kọwara na alụmalụ bụ nkwekọrịta dị n'etiti nwoke na nwaanyị, nne na nna, otu onye anaghị alụ nwaanyị. N'ala Igbo, ịlụ nwaanyị bụ ụzọ e si ejikọta ezinaụlọ di iche iche ọnụ dị ka ụmụnne. Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji asị na ọgọ bụ Chi onye. Onuorah (2021:443) kọwara na alụmdi na nwunye bụ otu ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. O kwuru na otu alụmalụ siri dị mkpa na ndụ ndị Igbo kpatara na a hụ okorobịa tozuru ịlụ nwaanyị, a jụọ ya "kedụ maka ndị be gị"? N'otu aka ahụ, nwaanyị tofee onye mụrụ, a jụwa onye na-alụ? Tupu alụmdi na nwunye ezuo oke n'ihu ndị mmadụ, mmadụ abụọ chọrọ ịlụ onwe ha ga-enwerịrị ezigbo nkwenye na ha ga-alụ onwe ha. Ọ bụrịị eziokwu na ndị Igbo na-alụ dị na nwunye na nwata n'oge gboo, n'ọnọdụ dị etu ahụ, ọ bụ ndị nne na nna ga-enye nkwekọrịta n'aha ụmụ ha.

N'ịkọwapụtakwa na alụmalụ eteele ọ malitere na ndụ ndị Igbo, Osuagwu (1979:37) kọwara na alụmalụ bụ ihe malitere mgbe Chineke kere ụwa. E nweghị onye ma oge a malitere ya. Akwụkwọ nsọ (Gen 2:18) kọwara etu Chineke si nye mmadụ ngọzi na ikike ịmụba n'ụwa. N'ala lgbo, alụmdi na nwunye bụ ihe ọkpụ bụrụkwa omenala dị oke mkpa. Nke a mere na a dighị agụnye nwoke na-alụghị nwaanyị n'oke ọ bụla nwere ugwu na nsọpụrụ. N'otu aka ahụ, na nkọwa gbasara alụmalụ n'ala Igbo, Ofomata (2013:496) na-ekwu na ịlụ nwaanyị bụ nwoke na nwaanyị ibikọ ọnụ dịka di na nwunye n'ụzọ omenala obodo nabatara. Ọ bụ ọkpụrụkpu omenala nwere ugwu ndị Igbo ejighị egwuregwu n'ihi na ọ bụ otu n'ihe a hụrụ wee kwaba okpu na ndụ ndị Igbo, n'ebe ọ gbasatara ọmụmụ na mbawanye. N'oge gboo, ndị lgbo maara n'ezie na mmadụ na-eto eto ma na-amụbakwa amụba, ya bụ mmadụ kwesịrị ito n'ụzọ kwesịrị ekwesị ma mụbaakwa n'ụzọ obodo nabatara. Ofomata (2013) kwuru na ọ bụ echiche dị etu a kpatara ndị Igbo ji nwee omenala ịlụ nwaanyị. Ọzọ bụ na Chineke kechara nwoke na nwaanyị wee nye ha ikike ịmụba site na mmekọrịta ha onwe ha. Ndị lgbo kwenyere na mmadụ ịmụba mara ezigbo mma. Ya mere lgbo ji tụọ ilu sị na: "otu onye nọrọ odudu atagbuo ya." Ihe dị etu a kpatara e ji nwee usoro omenala dị ọkpọtọrọkpụ mmadụ na ibe ya si emekọrịta ma na-amụbanye. Ogbalu (1987:61) kwadokwara na alụmalụ pụtara njikọ dị n'etiti nwoke na nwaanyị dị ka di na nwunye etu ọhanaeze si kwekọrịta. Ụmụ ọ bụla a mụtara n'ụzọ dị etu a, bụ ụmụ ziri ezi n'anya ọhaneze. Ogbalu kwuru na a bịa n'ala Igbo, e nwere alụmalụ di iche iche: alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị, alụmalụ Otu nwoke na igwe nwaanyị, alụmalụ nwaanyị na ibe ya, na nkuchi nwaanyị. Ofomata, (2012:165-166) kọwara na alụmdi na nwunye bụ njikọ na mbikọọnụ nke nwoke na nwaanyị dị ka omenala na odịnala siri wee kwado ya na etu Chukwu siri dowe ma gozie ya. Nke a gosipụtara na onye a mụtara ga-amụta ibe ya. Ụwa na-eto eto. Ihe niile Chukwu kere na-etokwa eto. Ọ bụ ya ka Ofomata (2012) ji kwusie ike na alụmdi na nwunye so n'ụzọ pụrụ iche mmadụ si eto n'ihi na nke a bụ ụzọ kacha mma mmadụ si abawanye n'ụwa. Ọ bụ ọnọdụ ndụ kacha mma Chukwu wepụtara iji were hụ na ụwa o kere eke na-aga n'ihu ma na-amụbanye. Hofstede (1984:51) n'echiche nke ya kọwara alụmalụ site n'ikwu na omenala dị ka njikọ ọnụ na obibi ndụ nke na-ekewapụ otu ndị n'etiti ndị ọzọ. O kwuru na omenala ndị a nwere ewumewu dị iche iche mejupụtara ha nke otu n' ime ya bụ ịlụ nwaanyị.

Alụmdi na nwunye bụ otu ihe zuru ụwa ọnụ. Ọ dị oke mkpa na ndụ ndị lgbo. Onye ọ bụla rugoro ogo ịlụ nwaanyị na-agbalisi ike ịbanye n'ime oke ewumewu a e si na ya enwe ezi mmekọrịta. Arinze (1970:128) kwuru na ndị lgbo nwere nnukwu nsọpụrụ n'ebe alụmalụ dị. Alụmalụ abụghị ihe gbasara naani nwoke na onye ọ na-achọ ịlụ, kama ọ bụ ogologo usoro na-adigide n'etiti ezinaụlọ na ibe ya.

Alụmalụ bụ ihe na-ejikọ ọhanaeze ọnụ. N'ihi ya, ka Anozie (2003:94) ji kwenye na alụmalụ agbasaghị naanị mmadụ abụọ chọrọ ịlụ onwe ha maọbụ ezinaụlo ha abụọ siri wee pụta, kama o metụtara ụmụnna ndị mebere otu obodo. Anozie kwuru na, ịlụ di bụ nnukwu ihe nwere nsọpụrụ pụrụ iche n'ebe ndị lgbo nọ. Anozie ahụtaghị emume a dị ka ihe gbasara mmadụ abuọ chọrọ ịlụ onwe ha kama ọ bụ mmemme na-emetụta ndị ụmụnna niile mebere otu obodo. Alụmalụ dị omimi, n'ihi ya ka inwe otu obi ji dị nnukwu mkpa. Ogionwo (1979:78) kwuru na alụmalụ abụghị ihe a ga-akọwa na ntabi anya. Ya bụ ma ndị be nke nwaanyị a ga-alụ ma ndị be nke nwoke chọrọ ịlụ nwaanyi ga-achịkọta obi ọnụ wee na-eme ihe n'otu echiche na n'otu obi. Ogionwo (1979) kọwakwara na alụmalụ pụtara mgbe otu ezinaụlọ jere n'ezinaụlọ ọzọ lụta nwaanyị wee mee ka ezinaụlọ abụọ a bụrụ otu. Mbiti (1977:13) Kwuru na alụmalụ dị ka eriri ji ndụ. Ọ bụ ọgbakọ na nzụkọ ndi ọgbọ, ụmụnna, ndị nwụrụ anwụ na ndị dị ndụ ya na ụmụ a ka ga-amụ amụ. Ezeuko (1986) kwuru na a ga-agbasorịrị usoro niile gbasara alụmdi na nwunye n'isi nke nwaanyị tupu ndị be nke nwaanyị akpọnye ya nwoke dị ka nwunye ya. Ọzọ bụ na, ọ bụghị naanị nwoke lụrụ nwaanyị ka a ga-akpọnye nwaanyị kama ọ bụ ezinaụlọ ya n'ihi na ndị lgbo kwenyesiri ike na otu onye anaghị alụ nwaanyị.

Agụgụ (2006:91) kwuru sị, "n'ala lgbo, alụmalụ bụ nnukwu ihe na ndụ ndị lgbo; nke a pụtara ijiko nwoke na nwaanyị ọnụ dị ka di na nwunye n'ụzọ omenala siri kwado." Mardock (1949:10) kọwara alụmalụ dị ka oge di na nwunye bi n'otu ụlọ, nwekọọ akụnaụba ọnụ ma na-enwekwa mmekorita nke anụ ahụ. Agụgụ (2006) kwuru na alụmdi na nwunye na-eme ka ụmụ a ga-amụta bụrụ ụmụaka tozuru etozue n'ebe ndi obodo na ọhanaeze no. E nwere usoro pụrụ iche a na-agbaso were ewube alụmalụ, ọ naghị esi n'elu ada. Hunt (1966:203,221) kọwara na alụmdi na nwunye bụ ewumewu nke zuru ụwa dum ọnu. Hunt kwuru na ihe gbasara alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyi gbadoro ukwu n'iwu na omenala n' ihi na nke a bụ ụzọ ha ga-esi bi ndụ ma wube ezinaụlọ ebe obibi nke aka ha na ụmụ ha. Ezechukwu (2012: 43-44) kwuru na ndị lgbo nwere ebumnuche ha ji alụ di na nwunye bụ ka amụta nwa. Ndị lgbo hụrụ ụmuaka n'anya nke ukwu. Nwoke ọ bụla na-achọ ka ọ mụta ọtụtụ ụmụ. Ọ bụ ya mere ụfodụ ji alụ otụtụ nwaanyị. Alụmalụ nke a na-amụtaghị nwa anaghị atọ ụtọ. Ihe ọzọ mere nwoke ji alụ nwaanyị bụ maka ọrụ ugbo. Nwoke na-alụ nwaanyị ka o wee nyere ya aka n'ọrụ ugbo. Nke a mere ha jikwa alụ ọtụtụ nwaanyị ma mụtakwa ọtụtụ ụmụ ga-enye aka n'ọrụ ugbo. N' oge gboo, e ji ụbara nwaanyị na ụmụaka ama ọgaranya.

Osuagwu (1982:50) kwuru na alụmalụ pụtara mgbe nwoke kpọlatara nwaanyị ọzọ ma kpọrọ ya laa n' ụlọ ya. Osuagwu kwuru na ndị lgbo bụ ndị hụrụ omụmụ n'anya nke ukwu, ihi ya, ha ejighi anya ahụ nwoke tozuru ịlụ nwaanyi ma hapụ ịlụ, maọbụ nwaanyi tozuru ihe e ji nwaanyị eme ma ọ lụghị di. Ezeuko (1986:5) n'echiche nke ya, kọwara alụmdi na nwunye dị ka njikọ di n'etiti nwoke na nwaanyi nke ga-eme ka ụmụ nwaanyị a ga-amụta bụrụ ụmụ kwesịrị ekwesi ma zukwaa oke n'anya ọha mmadụ. Ụmụaka ndị a ga-abụkwa ihe onwunwe nne na nna ahụ nwekọrịta ọnụ. N'ihi oke mkpa alụmdi na nwunye dị na ndụ ndị lgbo, a na-asọpụrụ ya n'ebe ọ dị ukwuu. Anaghị awụbanye n'ime ya n'ike na-ebughị ụzọ chee echiche ma kwadokwa ya nke ọma. Hornby (1978:529) kọwara na alụmalụ bụ ụzọ a nabatara nwoke na nwaanyị nwere ike isi jikọọ ọnụ maka ịmalite ezinaụlọ nke ha n'ụzọ iwu nabatara ma kwadokwa.

Alụmalụ bụ otu n'ime omenala e nwere n'ala Igbo dịka otu abamaba kacha abamaba ndị ọzọ nke nwoke na nwaanyị ọbụla a mụrụ n'ụwa a kwesịrị ịba. Nke a mere e ji atụ ilu sị: "nwaanyị

tofee onye mụrụ, a jụba onye na-alụ ya? Etu ahụ ka ọ dị n'ebe nwoke nọ. "Nwoke tofee onye mụrụ ya, a jụba onye bụ nwunye ya". N'otu aka ahụ, ndị Igbo nwere nkwenye na nwoke nwụọ na-alụghị nwaanyị, a mara na o mezughị ihe ọ bịara ime n'ụwa. Ndị lgbo kwenyere na a mụọ nwa, nwa amụta ibe ya. Ihe kacha mkpa ndị lgbo ji alụ di na nwunye bụ ka a mụta nwa ga-ele ha nka ma ha mee okenye, ndị ga-ebichi obi nna ha na ndị ga-enyere nne na nna ha aka n'ọrụugbo, tụmadị ndị ji ọrụugbo wee mere ọrụaka na mbawanye nke ezinaụlọ. Alụmalụ bụ nnọọ ewumewu pụrụ iche nke nwoke na nwaanyị ọ bụla na-elegara anya ịbanya na ya otu oge maọbụ oge ọzọ. Nke a gosịrị na alụmdi na nwunye bụ ihe dị mkpa na ndụ nwoke na nwaanyi ọbụla, ọ kachasị n'ala lgbo. Webster (1971:584) kọwara alụmalụ dịka ewumewu njikọta nke nwoke na nwaanyị sitere na ya nwee njikọta dị ka usoro iwu si di ma bụrụkwa ụzọ a ga-esi mụbaa ezinaụlo nke aka ha. Nke a bụ onyinye dị elu Chineke nyere ụmụ nwoke iji bụrụ isi n'ezinaụlọ. Okafor (2017:54) kwuru na alụmdi na nwunye na-eme ka ikwu na ibe hie nne. Ọgọ bụ ikwu atọ, ya mere ikwu ehighị nne, e si n'ọgọ chọwa ya. Nke a bụ okwu ndị lgbo na-ekwu. Ọ bụ n'alụmalụ ka e siri nwee nneochie, nnaochie, ikwunne, nwadiala na ọgọ. A na-esi n'aka ọgọ enweta ihe ọma. Nwoke lụrụ nwaanyị enweela onye inye aka. N'ezie a, ilekọta ezinaụlọ adighị mfe mana ha abụọ jikọọ aka ọnụ, ọ dịtụ mfe.

3.0 Usoro E si Alụ Nwaanyị N'ala Igbo

Omenala di n'ịlụ nwaanyị n'ala lgbo dị n'iche n'iche site n'obodo ruo n'obodo, mana e nwere myiri ole na ole dịkwa n'alụmalụ nke zuru ala lgbo niile ọnụ. Myiri ndị ahụ bụ njirimara alụmalụ n'ala Igbo. N'ala lgbo, nwoke ọ bụla chọrọ ịlụ nwaanyi ga-ebu ụzọ mee ka nne na nna ya mara ebumnche ya. Mgbe a chọtara nwaanyi a ga-alụ, a ga-amalite ime ihe n'usoro e si alụ nwaanyi n' ala lgbo. Ihe ọ pụtara bụ na tupu nwoke na nwaanyị abụrụ di na nwunye, e nwere ọtụtụ ihe dị iche iche a ga-eme tụpụ ha abụọ ebiri n'ụlọ. Mmadụ abụọ chọrọ ịlụ onwe ha dika di na nwunye ga-etozu etozu ma nwee ezi nkwekọrita n'ime onwe ha na ha ga-ebikwa dika di na nwunye. N'ebe a, a ga- ebu ụzọ chọta onye a na-akpọ onye akaebe maọbụ onye ga-anọ n'isi nwaanyị. Ọrụ onye akaebe bụ izirite ezinaụlọ abụọ alụmdi na nwunye metụtara ozi ma hụ na ezinaụlọ abụọ ndị a na-enwe ezi mmekorita n'etiti onwe ha. Ịchọta onye akaebe zuru ala Igbo niile ọnụ ma bụrụ otu njirimara alụmalụ n'ala Igbo. Njirimara alụmalụ ndị ọzọ bụ: ịkụ aka n'ụzọ, ịjụ ase, ime ego nwaanyị, ịgba nkwụ.

Ịkụ aka n'ụzọ: Mgbe nwoke hụrụ nwaanyị dị ya mma, ọ ga-eme ka nne na nna ya mara. A ga-eji ọjị na mmanya wee gaa na be nke nwaanyị iji mata ma ezinaụlọ nke nwaanyị a ga-anabata ha. A naghi enwe ọsịsa n'ụbọchị ahụ n'ihi na nne na nna nke nwaanyị ga-agwa ndị bịara ije a ka ha laa, ka ha wee nwee ike jụọ nwa ha nwaanyị ajụjụ.

Ịjụ Ase: Nke a bụ ịba ọhịa ajụjụ. Ogbalu (1981:24) kọwara na "nwoke na-etozu ịlụ nwaanyị mgbe ọ gbara afọ iri abụọ na otu wee gawa. Nwaagbọghọ na-etozukwa ịla be di mgbe ọ gbara afọ iri na ise, ya bụ mgbe ọ malitere ịnọ na nsọ. Ụmụnwoke na-achọ ịlụ nwaanyị na-aga n'ihe dịka ụzọ mmiri, maọbụ n'ụzọ ubi. Ihe mbụ nwoke hụrụ nwaanyị ọ ga-alụ ga-eme bụ na ọ ga-ewere nzuzo jụta ase nwaanyị ahụ." O kwukwara na, nwoke ahụ ga-alọta kọọrọ ndị be ha na ya ahụla onye ya ga-alụ. Ndị be nwoke ga-amalite jụwa ase nke ha maka ụlọ nwaanyị ahụ. Ha ga-eleba anya n'ụlọ ha. Ha ga-achọpụta ma ndị ụlọ nwaanyị ahụ, abụ ndị na-erube isi na di, ha a na-amụta nwa nke ọma, ma o nwere ọrịa ọjọọ dị n'ụlọ ha, ma ha abụ ndị na-ezu ohi, agba ama, maọbụ anwụ ọnwụ ike. Ihe ọzọ a ga-achọpụta bụ ma o nweela mgbe ezinaụlọ abụọ ahụ ji see okwu na mgbe ochie wee gbafue ọbara. Mgbe ha chọpụtasịrị ihe ndị a niile wee hụ na ha dị nke ọma, ha ga-ahọpụta ndị ga-aga ozi maka ọlụlụ nwaanyị ahụ (Ogbalu, 1981).

Ọ bụ eziokwu na ezinaụlọ nke nwoke ga-eburularị ụzọ jụọ ajụjụ tupu ha agaa kụọ aka n'ụzọ, mana ọ gaghị akwụsị na nke ahụ. Ha ga-amalitezi ọhịa ajụjụ n'ụzọ pụrụ iche makana a dị ama

ama o nwee ihe ha enweghị ike jụtasịa na mbụ. Ka ezinaụlọ nke nwoke na-ajụ ase, ka ezinaụlọ nke nwaanyị na-ajụkwa ase maka ezinaụlọ nke nwoke. Mgbe ezinaụlọ nke nwaanyị nwetara ezi ụsa n'ebe ezinaụlọ nke nwoke nọ, a ga-ezi ezinaụlọ nke nwoke ozi ka ha bịazịa. Nzeako (1986:18) kwuru na ajụjụ ndị mmadụ na-ajụ mgbe mmadụ na-achọ ilụ nwaanyi na-aba uru nke ukwuu n'ihi na mgbe ụfọdụ, nne na nna nwaanyị a chọrọ ilụ nwa ha nwaanyị nwere ike ha anaghị ebi n'udo; ihe dị etu a na-ajụ nwoke obi oyi ịlụrụ nwa ha nwaanyị. Anozie(2003:95) kọwara na ajụjụ a na-ajụ bụ ihe gbasara ezinaụlọ ndị chọrọ ịlụ onwe ha, iji chọpụta ma nwata nwaanyi maọbụ nwoke o nwere ezi agwa, ọ na-arịa ọrịa ọjọọ, o were ụbụrụ nkọ maọbụ ezi ọzụzụ sitere n' ezinaụlọ ha. Ugochukwu (2021:79) kwukwara na ihe a na-ajụ n'ajụjụ bụ ihe ndị a: Ma e nwere ọrịa jọgburu onwe ya n'ezinaụlọ ahụ dịka: ekpenta, agwụ, akwụkwụ, mmịnwụ, dgz ? Ha a na-anwụ ọnwụ ike? E nwere ndị na- awị/aghọ ara na be ha? Ma ụmụ nwoke ha a na-aṅụ oke mmanya? Ụmụnwaanyị ha, a na-agba n'iro? Ha abụ ohu, osu, ka ha abụ amadị? Ohi adị na be ha? Ha abụ ndị na-ata amoosu? E ji ịgwọ ọgwụ mara ha? Ha abụ ezinaụlọ na-agba mbọ? Ha ana-akwụkarị ụdọ na be ha? Ọ bụ ezinaụlọ nwere ọtụtụ ụmụnne, ndị nwere ike ileru nwunye ha anya ma di ya nwụchuo anwụchu? A ga-ele ka ọba ji ha na ka ọba ede ha dị, marakwa ma ha e nwere ala ubi ebe a na-akọ ihe, dgz.

Ime Ego Nwaanyi: Ihe ọzọ bụ ibu mmanya. N' ebe a ka nwaanyị ga-egosị ndị ụmụnna onye bụ di ya. Ọ bụrụ na nwaanyi aṅụrụtụ mmanya wee bunye nna ya nke fọrọ, a mara na ije nwoke bịara enweghi isi. Mana nwaanyi ṅụrụtụ mmanya dị n'iko wee bunye nwoke chọrọ ịlụ ya, nke a gosịrị na o kwetara ịlụ ya. Oge nwaanyị gosịrị ụmụnna onye bụ di ya, ezinaụlọ abụọ a ga-anọkọ ọnụ wee kwuo ụbọchị a ga-abịa kwụọ ụgwọ n'isi nwaanyị dịka usoro omenala siri dị.

Ime ego nwaanyi na-agbakwasa ụkwụ n'etu ezinaụlọ nke nwaanyi sirị kpebie n'onwe ha maọbụ otu obodo si wee dobe ya. N'obodo ụfọdụ dị n'ala Igbo, a na-enwe ego ole nwoke na-eme n'isi nwaanyị ma ọ bụrụ na mmadụ abụọ na-aba n'ọnọdụ alụmdị na nwunye sitere n'otu obodo mana ọ bụrụ obodo ọzọ n'ibe ya, a na-ahapụ nna nke nwaanyị ka o kpebie ego ole ọ chọrọ ka e mee n'isi nwa ya nwaanyị. Ọ bụzị n'ụbọchị ahụ a bịara ime ego ka nna nke nwaanyị ga-agwa nwoke chọrọ ịlụ nwa ya nwaanyị ego ole ọ ga-akwụ n'isi akụ nwaanyị. Mgbe e kwekọrịtara, nwoke ga-akwụnye ego ole o ji bịa n'ihi na ndị lgbo kwenyere na a naghị akwụcha ụgwọ isi nwaanyị. O kwesịrị ka a mata na ndị Igbo anaghị akpọ ego aha mgbe a na-ahụ ọnụ nwaanyị n'ihi na ha kwenyere na a naghị ere mmadụ ere. Ha na-eji akịrịka maọbụ mkpụrụ nsị ewu anọchite anya ego. Ime ego n'isi nwaanyị na-egosị na nwoke ahụ kwụrụ isi akụ nwaanyị abụrụla di ya; mana Ogbalu (2007:28) kwuru na, ọbịbịa ndị Bekee bịara n'ala lgbo mere ka amamihe ọhụụ pụta ma bawanyekwa. Nke a mere ka ndi mmadụ nwee ike ịlụ nwaanyị n'ụlọ ụka maọbụ n'ụlọ ikpe.

Ịgba Nkwụ Nwaanyị: Nke a bụ mmemme a na-eme iji mee ka nwoke kpọrọ nwaanyị laa be ya. Obodo ọbụla dị n'ala Igbo nwere usoro ha si agba nkwụ nwaanyị. Ụbọchị ahụ, a na-esi ihe oriri n'ebe ọ pụrụ iche. Ndi na-abịa ịlụ nwaanyị ga-ebute mmanya di iche iche a ga-eji nabata ndị ọbịa dịka iwu obodo siri dị. Okafor na Ewelukwa (2011:387) kwuru na ọ bụ ụbọchị e ji egosị ọhanaeze onye bụ di nke nwaanyị. Nwoke na-alụ nwaanyị ga-agbara ụmụnna nke nwaanyị mmanya. Igba mmanya nwaanyị bụ omenala a na-emere ụmụnna iji gwa ha na a lụrụla nwa ha nwaanyị. N'ala Igbo, onye agbaghị mmanya nkwụ nwaanyị ọ na-alụ ji ụmụnna nwaanyị ahụ nnukwu ụgwọ, mana onye ahụ gbaara ụmụnna nwe nwaanyị ahụ ọ na-alụ nkwụ, o nwere onwe ya, ndị mụtara nwa nwaanyị ahụ enwerekwue onwe ha n'aka ụmụnna. Igba nkwụ maọbụ igba mmanya bụ igba akwụkwọ n'ụzọ omenala makana ọ bụ ụbọchị a na-agba nkwụ ka nwata nwaanyị ahụ na-egosị ndị ụmụnna onye bụ ọgọ ha nwoke, ya bụ onye na-alụ ya. N'oge mmemme igba nkwụ, onyeisi ụmụnna ga-agbanye mmanya n'iko bunye ada ha nwaanyị, ka o were ya gosị ha onye bụ di ya. Nwaagbọghọ ahụ ga-aṅụtụ mmanya ahụ, ma buru nke fọrọ wee chọba di ya ebe ọ nọ. O rute ebe di ya nọ, o sekpuru ala, bunye onye ahụ na-alụ ya iko mmanya

ahụ. Ozigbo nwaokorobịa ahụ naara ya mmanya ahụ ṅụọ, obi ụtọ, ụzụ, ọṅụ na ịkụ aka na-ejupụta ebe niile n'ọgbọ mmemme ahụ, iji gosi na a nabatara ihe e mere. Nwaokorobịa ahụ na onye ọ na-alụ ga-aga n'ihu onyeisi ụmụnna, sekpuru ala, e kpeere ha ekpere ma gọọrọ ha ọfọ agamniihu, ibi n'udo, ọmụmụ, ogologo ndụ, dgz. Oriri na ọṅụṅụ ga na-agazi n'ihu (Ugochukwu, 2021:61-62). Ịgba nkwụ nwaanyị na-eweta mmemme alụmdi na nwunye n'isi njedebe, nke bụ na e mesịzịa ya, nwoke akpọrọzịa nwunye ya lawa, ha ebirizie dị ka di na nwunye

Nwaanyị ịla be di ya: Mgbe a gbachara nkwụ nwaanyi, ihe ọzọ na-eso ya bụ nwaanyị ịla be di ya. Okafor na Ewelukwa (2011:387) kọwara nwaanyị ịla be di ya dịka oge ụmụagbọghobịa ji edụla nwaanyị lụrụ di ọhurụ na be di ya. A na-eme nke a site n'ịgụrụ egwu na-eso ya n'azụ n'oge gboo.

Mmara ụlọ: Mmara ụlọ bụ oge nne na nna mụrụ nke nwaanyị lụrụ di ọhụụ ji eje amara ebe a na-alụ nwa ha nwaanyị. A na-akpọ ndị ụmụnne, ndị ụmụnna, ndị ikwunaibe, ndị enyi na ndị ọgọ aga mmemme dị etu a. Okafo (2017:53) kọwara mmara ụlọ maọbụ ọgọmalụbe dị ka mmemme ezinaụlọ onye na-alụ nwaanyị ji agwa ọgọ ya nwoke na nwaanyị, ikwu na ibe ka ha bịa mara ebe a na-alụ nwa ha. A bịa na mmemme a, a na- esi erimeri dị iche iche. Ndị ikwu na ibe onye na-alụ nwaanyị ga-anọkwa ya soro ya nabata ndị ọgọ ya. Ọ dị mkpa n'ọtụtụ obodo n'ihi na ọ bụrụ na e meghị ya, nne na nna onye a na-alụ agaghị na-eri nri na be ọgọ ya. Ihe a ga-eji nabata ha bụ ji, ọkụkọ na ego. E mechaa, nna nke nwaanyị ekpeere nwa ya ekpere ma kwuo na ọ ga-amụta ụmụ n'ezinaụlọ ọ batara, skaa nka ma zụọ ụmụ ya, ụmụ ya azụọ ya.

4.0 Alụmalụ Ịlụ Igwe Nwaanyị n'Okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ

Ndụ agaghị adị ụtọ ma e wezuga alụmalụ, n'ihi ya ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ nwere nkọwa dị iche iche ha nyere gbasra alụmalụ. Ha kọwara alụmalụ dịka ihe na-ejikọta mmadụ abụọ na-amabeghị onwe ha, na-esighịkwa n'otu ọbara pụta. Ha kwuru na ọ bụ ihe na-echere nwoke na nwaanyị ọbụla mgbe ha tozuru ihe e ji mmadụ eme. Ụfọdụ ndị njirimee nchọcha kwuru na alụmalụ n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ bụ njikọta a na-ejikọta nwoke na nwaanyị kwekọrịtara na ha ga-alụ onwe ha dị ka di na nwunye iji wee bụrụ otu. Ha kwuru n'alụmalụ bụ ihe Chineke wubere ma kwado ya malite n'okike ụwa. Ọ bụ mmekọrịta dị n'etiti mmadụ abụọ bịakọtara ọnụ dị ka di na nwunye, maọbụ nwoke na ndị nwunye ya, iji kekọrịta ma kwekọrịta n'otu ihe.

Site n'ajụjụ ọnụ a gbara, ihe ọ na-egosị bụ n'ụfọdụ ndị Ọnịcha Nọọtụ anaghịzị alụ igwe nwaanyị, n'ihi nkọwa ụfọdụ nyere gbasara alụmalụ dịka ihe na-ejikọ otu nwoke na otu nwaanyị ọnụ. Ihe ga-ebute nke a bụ ọbịbịa ekpemekpe ọgbara ọhụrụ, mmepe na awamanya so ndị mbịarachịwa wee bata ala Igbo dum. Ha kwuru na nwoke chọrọ ịlụ nwaanyị nwegasịrị ihe ndị ọ ga-eme tupu ọ kpọrọ nwunye ya lakpuo. Ọ ga-etozu ihe e ji mmadụ eme ma bụrụkwa onye nwere aka ọrụ. Nwoke hụ nwaanyị ọ chọrọ ịlụ, ọ ga-ebu ụzọ nyochaa ma mụkwaa ya ka akwụkwọ. Ọ bụrụ na ihe ọ hụrụ n'ebe nke nwaanyị nọ jụrụ ya afo, ọ ga-agwa nne na nna ya ebumnobi ya n'ebe nke nwaanyị ahụ nọ. Nne na nna ya ga-amalite ịjụ ase banyere nwata nwaanyị ahụ na ndị ezinaụlọ ya iji mara ka ha si eme, ma o nwere nsogbu ezinaụlọ ha nwere. Ọ bụrụ na e mechaa nnyocha wee chọpụta na ọ ga-adaba, a ga-eme ka nke nwaanyị mara ebumnobi ha n'ebe ọ nọ. Ha kwuru na alụmalụ na-ewere ọnọdụ ngwa ngwa nwoke kwụrụ ụgwọ n'isi nwaanyị.

N'agbanyeghị echiche ụfọdụ ndị mmadụ n'ihe alụmalụ pụtara n'Ọkpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ, ụfọdụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ na-ekwusikwa ike na ụka Kraịst bịara abịa, mana omenala bụ ihe e ji mara obodo na etu ha si eme. Ha kwuru na tupu ụka Kraịst abịa n'obodo

Ọnịcha, na ha nwere nkwenye n'omenala ịlụ igwe nwaanyị; na e mee elu mee ala, omenala abụrụla ihe dịbu kemgbe ụwa tupu ụka Kraịst abịa n'ihi na omenala bụ ụzọ ndị obodo si akọwapụta onwe ha. Ya mere e ji nwee ụdị alụmalụ e ji mara ndị lgbo, kachasị ndị okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ, maka uru ọ na-abara ha. Ọnịcha bụ ndị e ji echimechi ọzọ wee mara nke ukwu. Ọ bụ ya kpatara ha ji alụ igwe nwaanyị n'ihi na ọ na-enye aka ịkwalite ihe ndị e ji echi ọzọ dị ka nkwenye na omenala ndị Ọnịcha Nọọtụ siri dị.

4.1 lhe Kpatara Nwoke ji alụ Igwe Nwaanyị n'Okpuru Ọchịchị Ọnicha Nọọtụ n'Oge Gboo

Dị ka ndị a gbara ajụjụ ọnụ siri kọwaa gbasara ihe ndị kpatara nwoke ji alụ igwe nwaanyị, ha kwuru na di na nwunye bụ isi mmalite ezinaụlọ. Ndị lgbo kwuru okwu sị na nwaagbọghọ tofee onye mụrụ, a jụwa onye na-alụ. Ha kọwara na ọ bụ ọnọdụ dị etu a so edubanye ụfọdụ ụmụ nwaanyị n'ịlụ nwoke lugoro nwaanyị maọbụ nwere nwaanyị ya na ya bi n'ụlọ. A bịa n'akụkụ ụmụ nwoke, ha anaghị ahụta ịlụ igwe nwaanyị dị ka ihe ọjọọ maọbụ hụta ihe mkpọbi ụkwụ ọ bụla na ya n'ihi na omenala ndị lgbo nabatara ma kwadokwa ịlụ igwe nwaanyị n'ụzọ pụrụ iche. Echiche dị etu a na-egosi na ụmụnwaanyị na-anọ n'ọnọdụ ndị mmiri tabidoro, n'ihi ya, ha ejiri maka ya banye n'alụmalụ igwe nwaanyị. Ụfọdụ ụmụnwoke abụrụ ndị jidesiri ịlụ igwe nwaanyị ike n'ihe na ọ bụ ụdị alụmalụ ndị Igbo kacha enwe mmasị na ya n'oge gboo. Otu ihe ụfọdụ ndị kwudosiri ike n'alụmalụ igwe nwaanyị chefuru bụ na omenala na-agbanwe agbanwe. Ka ọnọdụ si dị ugbu a, ọtụtụ ndị Igbo na-akazị enwe mmasị n'alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị karịa ka ọ dị n'oge gboo. Ihe wetara nke a bụ nsogbu na-esikarị n'ịlụ igwe nwaanyị apụta ka Obi (1970) si rụtụ ya aka, wee kwuo, n'ịlụ igwe nwaanyị na-ebute ọgbaaghara, ịlụ ọgụ, ịkọ ọnụ, ịgwọ ọgwụ, dgz.

Usoro omenala ndị okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ nabatara ma kwado otu nwoke ịlụ igwe nwaanyị n'ihi na nke a na-egosị nwoke bụ ọgaranya na oke mmadụ n'obodo. Ọ na-enye nwoke ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche n'obodo. Ọzọ, ndị Igbo nke ndị Okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ bụ otu n'ime ha kwenyere na onye biri ezi ndụ n'ụwa nwụọ, na ọ ga-ala n'ala mmụọ ebe ọ ga-amalitekwa ndụ ọzọ. Ọ bụ ya mere na onye eze maọbụ nnukwu ọgaranya nwụọ n'oge gboo, e were nwunye ya ọ kacha hụ n'anya likọọ ha abụọ ọnụ, ka onye ahụ nwụrụ anwụ wee hụkwa onye ga na-ejere ya ozi.

Ụfọdụ ihe mere ụmụnwoke ji alụ igwe nwaanyị n'oge gboo bụ ka a mụta ụbara ụmụaka ndị ga-enye aka n'ọrụ ugbo. Ọ bụrụ ebe a mụtara otu nwa nwoke, o ga-alụ igwe nwaanyị iji nwee ndị mmadụ rienne ga-agba ya okirikiri. N'agbanyeghị nke a, ụfọdụ ụmụnwoke na-eji ụsa nwaanyị wee lụkarịa nwaanyị ole ha achọghị, ebe ụfọdụ ji n'ihi na nwaanyị nke mbụ amụtaghị nwa nwoke maọbụ na ọ mụrụ naanị ụmụ nwaanyị maọbụ amụtaghị nwa ma ncha lụọ igwe nwaanyị ka a mara ma a ga-esi n'aka ha mụta ụmụaka. Ọ bụrụ na nwaanyị nke mbụ nwoke lụrụ anaghị enye nwoke nri na mmekọ edine dị ka o kwesịrị maọbụ ledo ya anya nke ọma, nke a na-edubanye nwoke ịlụta nwaanyị ga-eledo ya anya nke ọma ma gbooro ya mkpa inwe mmekọ edina.

N'oge gboo, ụfọdụ ndị dibịa na-alụ igwe nwaanyị n'ihi ọrụ ha rụụrụ mmadụ. Mgbe ahụ, ha gwọchaa mmadụ ọrịa mana onye ahụ enweghị ike ịkwụnwu ụgwọ, o nwere ike ịkpọnye ya otu ada ya ka ọ bụrụ nwunye ya, iji kelee ya. Ọ bụrụkwa na e gburu nwaanyị maọbụ na e rere nwaọkpụ, ajọ ọnọdụ wee dịịrị ezinaụlọ maọbụ obodo, e wee nweta ezigbo dibịa gbara afa wee chọpụta ihe kpatara ya, e nwekwara ike iji nwaanyị wee kele dibịa rụrụ ọrụ ndị ahụ.

Ụfọdụ di na nwunye amụtaghị nwa ma ncha na-ewere ọnọdụ a dị ka chi ha si chọ, ma were okwukwe ha tụkwasa na chi na-enye nwa ka o rota ha n'oge ya, ụfọdụkwa na-eje ekute nwa. Amụtaghị nwa abụghị mmasi di na nwunye lụrụ onwe n'ihi na nke a na-eweta akwa arịrị

na nchekasị n'ebe ha nọ ma mmekwa ka ịhụnanya dị n'etiti ha laa azụ maka na ọmụmụ bụ ihe na-eme ka ịhụnanya na ogologo mbikọ di na nwunye dị ọkpụtọrọkpụ. Mkpa nwa dị n'ezinaụlọ mere ndị ụmụnna na ọha obodo ejighị eleghara ezinaụlọ ọ bụla ejighị nwa anya. Ọ bụ nke na-edubakwa nwoke ịlụbata nwaanyị ọzọ ga-amụtara ya nwa. Ọnọdụ amụtaghị nwa abụghị mmasi nke onwe kama o nwere ike site n'ekerechi maọbụ ezughị oke nke ahụike na-eme na di na nwunye anaghị amụta nwa nke ha. Ọ na-eme ka ọnụ di na nwunye rie mperi, nke nwere ike iweta esemokwu na mgbasa n'etiti di na nwunye dị ka ụfọdụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ si kọwapụta. Alụmdi na nwunye enweghị mkpụrụ nke afọ, ọ kachasị ihe gbasara amụtaghị nwa nwoke, na-abụ ọnọdụ enweghị isi na ọdụ n'oge gboo. Nke a kpatara nwoke ọ bụla hụrụ onwe ya n'ọnọdụ dị etu ahụ anaghị ele anya n'azụ ịlụ nwaanyị ọzọ iji mata ma Chineke ọ ga-esi n'aka nwaanyị ahụ nye ya ụmụaka, ọ kachasi, nwa nwoke. N'ala lgbo, tụmadị ndị okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ, ejighị nwa nwoke egwurị egwu makana ọ bụ ya ga-eme ka aha ezinaụlọ ahụ ghara ịbụ ihe e chefuru echefu; ọzọ, ụmụnwoke na-achọ onye ga-anọchite anya ezinaụlọ ha na onye ga-eri ekpe ha ma ha nwụọ.

Ụfọdụ ụmụnwoke dị ka e si chọpụta, na-alụ igwe nwaanyị n'ihi mmụọ mkpako maọbụ ihe akụakụ na ihe enweenwe ha nwere, wee lụọ igwe nwaanyị ole ha achọghị ịlụ iji gosipụta na ha bụ ogaranya. Nke a gosịrị na ịlụ igwe nwaanyị n'oge gboo na-egosị ịma aka n'etiti ụmụnwoke dị ka ụmụnwaanyị ole nwoke lụrụ iji gosị onye bụ ọgaranya. A naghị agụnye nwoke lụrụ otu nwaanyị dị ka ogaranye n'ihi na ihe a na-ajụ bụ ụmụnwaanyị ole a lụrụ, ụmụaka ole a mụrụ na ọba ji na mkpa ji ole dị ya. Mgbe ndị mmadụ bidoro ịma aka site n'ịma onye ga-alụkarị ibe ya n'ọtụtụ nwaanyị, a mara n'obodo ga-anọ na nnukwu nsogbu n'ọdịniihu. Iji ma atu, mgbe ụfọdụ ụmụnwoke na-alụ ụmụnwaanyị karịa ole ha ga-elekọtanwu anya, o nwere ike iwetara nwaanyị ịgba n'iro, ma mee ka a mụọ ụmụaka ezi na ụzọ. Ụdị ụmụaka dị etu a na-abụ ọdachi dịịrị ọhanaeze.

Ụfọdụ ụmụnwaanyị ndị e chiri ịyọm na-enwekwa mmasi ihu na ha nwere nwunyedi ndị ha na ha ga-ekekọrịta ịrụ ọru na ije ozi nke ezinaụlọ. Ọzọ, ọtụtụ ụmụnwoke anaghị enwe afọ ojuju n'ebe ịlụ otu nwaanyị nọ n'ihi na ha chere na otu nwaanyị anaghị egboro ha mkpa mmekọ edina dị ka ha chọrọ. Ọ bụ ya mere ha ji alụ igwe nwaanyị iji nweta afọ ojuju nke anụ ahụ site n'inwe igwe nwaanyị ndị ya na ha ga na-enwe mmekọ edina.

A bịazịa n'oge ugbu a, ihe gbasara ekpemekpe na-ebutekarị okwu na ụka n'ezinaụlọ n'ihi na mgbe di na nwunye bụ ndị ekpemekpe ọdịnala, nwunye nwoke wee mesịa banye n'ekpemekpe ụka; ihe dị etu a na-edubanye nwoke n'ilụbata nwaanyị ọzọ ga-eso nzọụkwụ ya n'ụzọ omenala ka nsogbu ghara idapụta. Ụmụnwaanyị ụfọdụ nọ na di na-abụ ndị na-agba n'ezi, ha na-esikwa n'ụzọ a bụbata agwa ọjọọ dị iche iche n'ezinaụlọ ha. Mgbe nwaanyị malitere gosipụtawa agwa ọjọọ n'ezinaụlọ, ọ na-abụ ihe igba anya mmiri n'ebe nwoke nọ. Nke a na-eme ka nwoke malite itinyewe anya nwaanyị ọzọ ọ ga-alụbata n'ụlọ nke ga-enye ya nsọpụrụ dịịri ya dị ka nwoke na di nwe ụlọ. Ụfọdụ kwukwara na ụmụnwoke ka na-alụ igwe nwaanyị n'agbanyeghị etu ihe siri gbata kwụrụ n'ala Naịjirịa taa iji gosịpụta ụdị akụnaụba ha nwere, ebe ụfọdụ na-eme nke a n'ihi enweghị afọ ojuju. Sitekwa n'ajụjụ ọnụ a gbara, a chọpụtara na ndị Ọnịcha abụghị ndị e jikarịrị ọrụ ugbo wee mara n'oge gboo kama na ọ bụ n'ihi echichi ha na-echi, nke chọrọ ka onye ga-echi ya lụọ igwe nwaanyị. Mana n'oge ugbu a, ụfọdụ na-alụzị igwe nwaanyị n'ihi na ha dị ụsa nwaanyị. Ha bụ ndị chere na otu nwaanyị agaghị ezuru ha igbo mkpa mmekọ edina, ọ bụ nke a kpatara ọtụtụ n'ime ha ka ji alụ igwe nwaanyị.

Ọtụtụ mgbe ka ụfọdụ ụmụnwoke na-ejikwa anyaukwu alụ igwe nwaanyị n'ihi na ha ejighị anya ahụ nwaanyị mara mma, ma onye ahụ ọ bụ nwata ka ọ bụ okenye, onye ahụ ọ nọ na di maọbụ na ọ nọghị na di, ebumnobi ha bụ igba mbo chọọ etu ha ga-esi nweta nwaanyị ahụ. Ha kwuru na a bịa n'obodo Ọnịcha, tụmadị Ọnịcha Nọọtụ, ụfọdụ ụmụnwoke nwegasịrị

ụmụaka dị iche iche a mụtaara ha n'iro n'agbanyeghị na nwoke di etu a enweela nwaanyị ya na ya bi n'ụlọ. Ọ bụ ezie na ụmụnwoke dị etu a alụbataghị ụmụnwaanyị ndị a n'ụlọ mana ụfọdụ n'ime ha ga-emegide site n'idina ha, lụbata ha n'ụlọ.

Ihe ọzọ mere ụfọdụ ụmụnwoke ndị Ọnịcha Nọọtụ ka ji alụ igwe nwaanyị n'oge ugbu a bụ na ọ bụrụ na nwunye ha mbụ amụtaghị nwa maọbụ nwa nwoke ga-anọchite ma zaakwa aha ha ma a chọọ ha achọọ, nke a ga-eme ha itinye anya na nwaanyị ọzọ. Ọnịcha bụ obodo e ji ichi ọzọ wee mara. Nwoke ọ bụla chọrọ ichi ọzọ ga-enweịrị nwata nwoke maọbụ di ọkpara n'ihi na nke a na-enye nwoke ahụ obi ụtọ mgbe nwa nwoke ahụ nọdebere ya n'echichi ya. Ọnọdụ di etu a na-eme ha ji alụ igwe nwaanyị. Ọ bụrụna nwoke chọpụta na nwaanyị mbụ anabataghị nwaanyị nke abụọ ahụ, ọ ga-arụrụ nwaanyị nke abụọ ahụ ụlọ n'ebe ọzọ ka ndị nwunye ya abụọ ahụ ghara ịnọ n'okwu na ụka. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na mgbe ụfọdụ, ha anaghị achọ ịlụ nwaanyị ọzọ kama ha na-enwe nwaanyị ọzọ emeghi ihe n'isi ya n'iro nke ọ na-esi n'aka ya wee mụtakwa ụmụ. Akparamagwa a na-eweta nsogbu n'etiti nwaanyị mbụ, nwoke ahụ na ụmụaka ndị ahụ a mụtara n'iro. Ha kwukwara na ọ bụrụ ebe a mụrụ otu nwa nwoke, nwa nwoke ahụ agaghị achọ ka naanị ya na nwunye mbu ọ lụrụ nọrọ kama ọ ga-alụbata ọtụtụ nwaanyị iji nwee ụbara ụmụaka ga-abụrụ ya ụmụnne. Ọzọ bụ i nweta ndị nwunye ga-egboro ha mkpa mmekọ edina mgbe ọ bụla ha chọrọ ya.

Akpịrị ogologo n'ebe ego nwoke dị bụ nnukwu ihe kpatara ụfọdụ ụmụagbọghọ ji alụ di n'ezinaụlọ nwoke lugoro nwaanyị, ebe ụfọdụ ndị nne na nna na-akwagide ụmụ ha nwaanyị ka ha lụọ nwoke ahụ n'ihi na ha chọrọ ije ọmụgwọ dika ụmụnwaanyị ndi ọzọ na-echeghị maka ọdịniihu nwa ha nwaanyị. Nwaagbọghọ ịgba nhọ di n'ebe ụmụnwoke nọ nwere ike ibutere ya ịlụ nwoke lụgoro nwaanyị mbụ n'ihi na mgbe ndị di na-abịara ya, ọ dighị onye ọ nabatara. Mgbe o leziri anya hụ na o nweghịzi onye ọzọ na-abịa kama naanị ndị lụgoro nwaanyị, ọ ga-ekwenye ịlụ nwoke ahụ ka o wee zaa aha nwoke ahụ. Mgbe ọ bụla nwaagbọghọ tụrụ ime ọkwa, ọ napụla nne na nna ya ugwu na nsọpụrụ dịịrị ha n'ihi na mgbe ahụ, ma ndị zuru oke na mmadụ, ndị ike gwụrụ tinyere ndị nwere ọrụsị dị iche iche ga-abịa ịlụ nwata ahụ mana ọ bụrụ na ha jide onwe aka, Chineke ga-ezitere ha onye nke ha.

4.2 Mgbanwe Batara N'Ịlụ Igwe Nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'oge ugbu a

Ọbịbịa ndị ụka wetara nnukwu mgbanwe n'ala lgbo, tụmadi n'obodo Ọnịcha, n'ihi na nke a mere ka ụfọdụ ụmụnwoke belata aka n'etu ha si alụ igwe nwaanyị ma tibanye aka n'ịlụ otu nwaanyị dị ka akwụkwọ nsọ siri kwado ya. Ọbịbịa ndị ụka Kraịst bịara wetara mgbanwe pụrụ iche n'ebe alụmalụ dị n'ihi na nke a kwadoro iwu di n'ekpemekpe ụka ndị otu Kraịst dị ka akwụkwọ nso siri kwuo na otu nwoke ga-alụ otu nwaanyị n'usoro ụka. Ndị ụka bịara ala lgbo wee katọọ ma gbarụkwaa ihu sị na otu nwoke ịlụ igwe nwaanyị adighị mma ma ncha n'ihi na ha hụrụ ya dịka omenala ndị na-ekpere arụsị. Mgbanwe a emeela ka ụfọdụ ụmụnwoke n'Okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ jiri nwayọọ nwayọọ na-esepu aka etu ha si alụ igwe nwaanyị n'oge ugbu a n'ihi na ndị ụka kwenyere na onye ọ bụla lụkarịrị otu nwaanyị adaala iwu ụka.

Ọzọ, oke ụganị na ihe isi ike juru n'obodo mere ka ụfọdụ ụmụnwoke na-enwe mmasị n'ebe ụmụnwaanyị nọ chemie echiche ime banyere etu ha si alụ igwe nwaanyị. Mmepe obodo, oke mmụta na ọnọdụ akụnaụba dị n'ala Naịjirịa ugbu a emeela ka ịlụ igwe nwaanyị belata. Otu onye sịrị: "Ọọ kwa onye hụrụ nke o riri, wee hụ nke ọ ga-enye mmadụ." Kama na ihe na-ewuzi ugbu a bụ" mụọ ka ị ga-azụ." Agụmaakwụkwọ wetakwara mgbanwe n'ịlụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'ihi na nke a mepere anya ndị ntorobịa iji chọpụta ọtụtụ nsogbu a na-enweta n'ebe ịlụ igwe nwaanyị dị. Ọ bụ nke a mere na ha gụchaa akwụkwọ, ha

agbaa mbọ hụ na ha nwetara ọrụ Bekee, kwụdosie ike tupu ha abanye n'ọnọdụ alụmdi na nwunye.

Mgbanwe ọzọ, bụ na, n'oge gboo, onye enwetaghị ebumnuche o jiri lụọ nwaanyị, ọ kachasị n'ihe gbasara amụtaghị nwa, na-achọrịrị ụzọ ọ ga-esi nweta nwa site n'ịlụ igwe nwaanyị. Site n'ụzọ dị etu a ka onye ahụ ga-esi mụta ụmụaka, mana n'oge ugbu a n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ dịka nchọpụta si gosi, ụfọdụ ndị di na nwunye amụtaghị nwa na-aga zụta nwa dịka iwu ala si debe ya. Nwa ahụ a zụtara abụrụla nke di na nwunye zụtara ya. Nwata ahụ ga-aza aha ha, rie ekpe ha, ma bichikwaa ngwuru ha ma ha laa mmụọ.

Ndị lgbo ejighị ọmụmụ egwuri egwu. Ya mere e ji ahụta nwaanyị ọ bụla na-amụtaghị nwa n' okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ dị ka onye mere arụ. N'oge gboo, a na-agbaso ụdị alụmalụ dị iche iche iji mụta nwa. Ọtụtụ oge, nwaanyị na-achọ nwa na-aga na nke dibịa afa ka o wubere ya ihe a kpọrọ okwu ọmụmụ mana n'oge ugbu a, ụfọdụ ụmụnwaanyị na-ahụkarịzi ndị dibịa Bekee ga-enye ha ọgwụ Bekee wee ruo mgbe ha ga-atụrụ ime, ebe ụfọdụ ụmụnwaanyị na-achọta ndị ekpere ga-emere ha ihe a kpọrọ nketọpụ ọgbụgbandụ ka ha wee nwee ike mụta nwa nke ha. N'otu aka ahụ ka ha jizi kwukwue na ụfọdụ ụmụnwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ na-agbasokwu usoro ọmụmụ sayensị nke ndị Bekee kpọrọ "In Vitro Fertilization" (I V F) were amụta nwa iji gbochi di ha ịlụbata nwaanyị ọzọ n'ezinaụlọ.

Mgbanwe ọzọ batara n'ịlụ igwe nwaanyị n' okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'oge ugbu a bụ na nwa agbọghọ ọ bụla na-eji aka ya akpọlata onye chọrọ ịlụ ya n'agbanyeghị na ọ lụbuola nwaanyị gosị nne na nna ya. Ụfọdụ mgbe ka ha na-abanye n'alụmalụ ozigbo, ebe ụfọdụ na-amalite ime enyi afọ ole na ole tupu nwoke ekpebie ịbanye n'alụmalụ kpọmkwem. N'otu aka ahụkwa ụfọdụ ụmụagbọghọ na-eje atụrụ ime iji mee ka nwoke lụba ha mana oge ụfọdụ ha na-enweta ihe mkpọbiụkwụ site na nwoke ịgọnarị ha ebe ụfọdụ ụmụnwoke na-ajụ na ha agaghị alụ ha n'ihi akparamagwa ha.

4.3 Ọghọm si n'ịlụ igwe nwaanyị apụta n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'oge ugbu a

A bịa n'ezinaụlọ a lụrụ igwe nwaanyị, ụfọdụ ụmụnwoke na-aka ahụ otu n'ime ndị nwunye ya n'anya karịa ndị ọzọ. Mgbe ụfọdụ, ha gagahị eri nri ndị nwunye ha ụfọdụ siri, ebe ha na-eze ndụ n'ụlọ ha. Mgbe ụfọdụkwa, nwoke anaghị elerucha ndị nwunye na ụmụ ya anya otu o kwesiri. Ịhe ndị a na-eme ka ịhụnanya na udo gbaa nnukwu ọsọ n'ezinaụlọ, ma mee ka oke ịkpọ asi, esemokwu na ịkpa nsi were ọnọdụ n'etiti ndị nwunyedi. Ha kwuru na ụmụaka sokwa eketa oke n'ụdị ọnọdụ a. Ha anaghị enweta ezi ọzụzụ. Ụfọdụ n'ime ha anaghị aga akwụkwọ maọbụ gụruo akwụkwọ n'isi n'ihi na ego ụgwọ akwụkwọ adighi. O wee na-eweta nsogbu n'obodo n'ihi na ụmụaka ndị a na-amalite imebi obodo site n'ime mpụ di iche iche n'ihi enweghị ezi ọzụzụ na ezi akparamagwa. Ajọ agwa na-ewetara ezinaụlọ nkọcha, ajọ aha na abụmọnụ. Ịlụ igwe nwaanyị n'oge ugbu a na-eweta ọnwụ ịke na oke ndaghachị azụ n'ebe akụnaụba nwoke dị n'ihi oke ọzịzọ ndị nwunye na-azọ akụnaụba di ha. Mgbe ụfọdụ, nwoke na-anọ na nchekasị were si na ya nwụọ. Ọ na-ebute nsogbu na ọgbaaghara n'ebe akụnaụba nwoke dị n'ihi na a chọọ nwoke ma a hụghị ya, ọgbaaghara na tigbue zọgbue na-abata n'ezinaụlọ ahụ, ebe a na-azọ ekpe nwoke hapụrụ laa mmụọ.

4.4 Ụzọ a ga-esi gbochie nsogbu dị n'ịlụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ nke Steeti Anambara.

Ụzọ a ga-eji gbochi nsogbu na-adapụta n'ịlụ igwe nwaanyị bụ na ọ ga-adị mma ka ndị gọọmentị wepụta usoro ọmụmụ ihe gbasara alụmdi na nwunye nke ndị Bekee kpọrọ 'marriage seminar' nye ndị mmadụ iji kọwaa ma mee ka a mata na nsogbu na ọghọm dị n'ịlụ igwe nwaanyị

karịrị akarị. Ndị gọọmentị ga-agbakwa mbọ hụ na e nyere ndị ntorobịa anyị gụchara akwụkwọ ọrụ iji mee ka ha wepụ anya n'ebe ụmụ nwaanyị nọ ka e wee gbanahụ ịbanye n'alụmalụ oge erughị eru. Ndị nne na nna n'ụzọ nke ha, ga-enye aka kụziere ụmụ ha ndị ntorobịa mkpa ọ dị igbaso usoro ziri ezi n'alụmdi na nwunye iji gbanahụ ọnwụnwa na ihe ndị na-ebute nsogbu ịlụ igwe nwaanyị.

Ụfọdụ ụmụnwoke dị ụsa nwaanyị ga-ejisike nyere onwe ha aka site n' iwezuga onwe ha n'ihe ndị nwere ike idubanye ha n'ịtụba ụmụnwaanyị ime. Ọzọ bụ na nwoke na nwaanyị na-achọ ịbanye n'alụmalụ ga-atụ aro ụmụ ole ha ga-amụta tupu a malite njem a n'ihi na a kpaa akpaa, a rahụ n'ute. Nwoke ọ bụla chọrọ ịlụ igwe nwaanyị ga-adịkwa ike igbonwu nsogbu na ọghọm dị n'ime alụmalụ a. Ọ ga-ahụ na o nwere ego iji lekọta ndị nwunye ya na ụmụaka ha ga-amụta anya ma hụkwa na ọ hụrụ onye ọ bụla n'ime ha n'anya nke ukwu.

5.0 Mmechi

Alụmalụ pụtara ewumewu pụrụ iche nke na-ejikọ nwoke na nwaanyị ọnụ iji bụrụ di na nwunye n'ụzọ omenala siri kwado. Nwoke na-alụ igwe nwaanyị iji nweta ụbara ụmụaka ga-enyere ya aka n'ọrụugbo; ọzọ bụ igosịpụta onye bụ ọgaranya n'obodo. Ụfọdụ ụmụ nwoke dị ụsa nwaanyị ka na-alụ igwe nwaanyị iji gboo mkpa anụ ahụ mmekọ edina. Ọtụtụ nsogbu na ọghọm na-esi n'ịlụ igwe nwaanyị apụta n'ihi na ọnọdụ di etu a edula ụfọdụ ụmụnwoke lụrụ igwe nwaanyị mmụọ. N'otu aka ahụ, ọtụtụ mgbanwe abatala n'ịlụ igwe nwaanyị n'okpuru Ọchịchị Ọnịcha Nọọtụ n'ihi n'ụfọdụ ndị di na nwunye amụtaghị nwa na-eje ekute nwa ebe ụfọdụ na-eso usoro ọgbara ọhụrụ dị iche iche dị ka I V F, dgz. iji nweta ụmụaka ga-abụ nke ha. Oke iheihe isi ike na ajọ ọnọdụ ala Naịjirịa nọ nay a ugbu a, e meele ka ụfọdụ ụmụnwoke chịba ụkwụ n'ụlọ.

Edensịbịa

Agụgụ, M.O. (2006). *Ndị lgbo na akụkọ ala ha*. Nsụkka: Eva.
Anozie, C.C (2003). *lgbo kwenu: Akụkọ na omenala ndị lgbo*. Enugu: Computer Edge publishers.
Arinze (1970). *Sacrifice in lbo Religion*. Ibadan: University Press.
Ekwealor, C.C. (1998), Omenala na Ewumewu Igbo; Africana: First publishers.
Ezechukwu, T. (2012), Ndụ Ndị lgbo. Onitsha: Perfect image.
Ezeuko, R.O (1986), Ewumewu, Omenala, Ofufe na Nkwenye Ndị lgbo. Onitsha: Etukokwu.
Hofstede, G (1984), National, Cultures and Corporate Cultures in LA Samover AndR.E poter (EDS).
Hornby, A.S et al (eds) (1978),Oxford Advanced learner's Dictionary of current English,London. Oxford University Press.
Hunt, E.F (1966), Social: An introduction to the study of society. New York: Macmillan.
Landis, H.P (1977), Your Marriage and Family Living. London: Mc Graw-Hill.
Mbite, J.S (1977), African Region and Philosophy. London Heinemann.
Mardock, G.P.L (1949), Social structure: London Macmillan.
Nnụbia, .C.S (2011), Ịgba alụkwaghịm n' Ozubulu; A project for the department of lgbo language, culture, Anambra State University, lgbaarim Campus.
Nzeakor, J.U.T. (1979), *Omenala Ndị Igbo*. Ibadan University Press.
Nzeakor, J.U.T. (1986), *Omenala Ndị Igbo.* Ibadan; University Press.
Ofomata, C.E. (2012), Omenala na Ọdịnala Ndị Igbo: Format Publishers (Nig) Ltd Enugu.
Ofomata, C.E. (2013), *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo nke ndị junịọ Sekọndịrị*. Enugu:Format Publishers.

Ogbalu, F.C.(1981), *Ndụ Ndị Igbo*. Onitsha: University Press.
Ogbalu, F.C.(1987), *Omenala Igbo maka junịọ Sekọndịrị*. Onitsha: University Publishers.
Ogionwo, W. (1979), lntroduction to Sociological Studies: Ibadan Heinemann.
Okafor, U.C na Ewelukwa, U. (2011), *Nhazi Asụsụ Igbo maka ule junịọ Sekọndịrị n'usoro Bezik Edukeshon*. Onitsha; Global Publishers.
Okafọ, C.U (2017), Ọkacha Ụtọasụsụ Na Omenala Igbo (Lingwistiks lgbo) Maka Ule Sịnịo Sekọndịrị Na Kọleeji, W.A.E.C, N.E.C.O, G.C.E Na JAMB Onitsha:Mid-Field Publishers Limited.
Okeke. A, et al (2009). "Ilụ nwaanyị n' obukpa nke dị n'okpuru ọchịchị Nsukka". Department of lgbo and other Nigerian Language Nwafor Orizu College of Education Nsugbe.
Onumba, C.A (2015), A-Z Na Nchịkọta Agụmagụ lgbo W.A.E.C Onitsha.
Onuorah, J.C (2021), *Usoro Ọmụmụ Igbo Ụtọasụsụ, Agụmagụ na Omenala maka Sịnịọ Sekọndịrị*. Onitsha: patomonic printer & publishers.
Osuagwu, B.I.N (1979*), Ndị Igbo Na Omenaala Ha*. Onitsha: Macmillian Nigeria Publishers.
Osuagwu, I.N (1982), Ndị lgbo na Omenala Ha. Onitsha University Press.
Osuagwu, B.I.N, (2004), Ndị Igbo na Omenala Ha. Ibadan: Macmillian Nigeria Publishers
Ubesie, T. (1987). *Ọdịnaala Ndị Igbo*. Ibadan: University Press.
Ugochukwu, C. N. (2021). "Ilụ Di na Nwunye." In *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenala Igbo*. Enugu: FAB ANIEH Publishers.
Webster, N (1971), The living Webster Encyclopedic dictionary, Chicago: G&C Merriam Company: Merriam, Webster.